
*PUBLISHED BY*

NNAMDI AZIKIWE UNIVERSITY AWKA NIGERIA



**IGIRIGI:**

***A Journal of African Studies***

**VOL. 5. NO.2, 2025**

**ISSN: 1116-5618**

# IGIRIGI
## *A Journal of African Studies*
## VOL. 5. NO.2, 2025

**ISSN: 1116-5618**

Journal website is powered by **Myrasoft Systems** (www.myrasoft.com.ng) @ 78 Dr. Billy Okoye Boulevard GRA Awka, Anambra State, Nigeria .
TEL: 08062926794, Email: myrasoftsystems@gmail.com

# IGIRIGI

**Vol. 5. No 2, 2025**

*Igirigi : A Journal of African Studies*, is a multidisciplinary peer-reviewed, original researches that focus on African issues relating to: arts, humanities, medicine, science, technology, geography, education. This annual journal accepts well researched and original submissions from: languages, linguistics, history, religion, philosophy, creative and performative arts, mass communication, sociology, anthropology, education, sciences, political science, information technology, and any study that relates to Africa.

**Editor-in-Chief**
Prof. Thecla Ngozi Udemmadu
Nnamdi Azikiwe University,
Awka

**Editors:**
**Dr. Ifeyinwa Cordelia Isidienu**
**Associate Professor,** Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Dr. Raphael Iyamu**
University of Florida
Gainesville, Florida

**Production Editors:**
Rev. Fr. Dr. Patrick Ikenna Umezi
Nnamdi Azikiwe University,
Awka

**Dr. Constance Onyinye Amamgbo**
Nnamdi Azikiwe University,
Awka

**Associate Editors:**

| | |
|---|---|
| **Dr. Florence Uju Ibeh** | Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka |
| **Dr. Gloria Nkiru Egwuonwu-Chimezie** | Department of Linguistics and Igbo Imo State University, Owerri |
| **Dr. Ann Onyekelu** | Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka |

**Consultant Editors:**

**Uchenna Onuzulike, Ph.D.**
Associate Professor,
Department of Communications,
Bowie State University,
Maryland, United States

**Dr. Jude Onyima**
Westminster Business School,
University of Westminster, London

**Prof. Cecilia Eme**
Department of Linguistics,
Nnamdi Azikiwe University, Awka

**Prof. Boniface Mbah**
Department of Linguistics, Igbo and other Nigeria Languages,
University of Nigeria, Nsukka

**Prof. Iwu Ikwubuzo**
Department of Igbo, African and Asian Studies,
University of Lagos

**Jude Chinweuba Asike, Ph.D.**
Associate Professor,
Department of Philosophy,
University of Port Harcourt

# TABLE OF CONTENTS

MANAGEMENT OF COLLABORATIVE LEARNING AS AN INSTRUCTIONAL STRATEGY FOR ATTAINING IMPROVED LEARNING OUTCOME IN PUBLIC SECONDARY SCHOOLS IN RIVERS STATE

Dr. Obiamaka Onyeanwuna 1-9

STRATEGIES FOR REDUCING CYBERCRIME ACTIVITIES AMONG YOUNG ADOLESCENTS IN SECONDARY SCHOOLS IN RIVERS STATE

Dr. Obiamaka Onyeanwuna 10-15

ERIMERI NDỊ IGBO N'OGE GBOO NA OGE UGBU A: MMETỤTA YA N'ASỤSỤ, AHỤIKE NA OBIBI NDU HA

Dr. Ethel Odinakachi Orji 16-26

ANALYSIS OF GRAMMATICALISED COMPOUND MARKERS IN IGBO

Onyemaechi, Chineyere Benedicta 27-37

# ERIMERI NDỊ IGBO N'OGE GBOO NA OGE UGBU A: MMETỤTA YA N'ASỤSỤ, ` AHỤIKE NA OBIBI NDU HA

**Dr. Ethel Odinakachi Orji**
Department of Igbo, African and Communication Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

## Ụmịedemede

Omenala ndị bụ etu ndị ahụ si ebi ndụ ha. Erimeri Igbo sokwa n'omenala e ji maara ndị Igbo mana ọ bụ ihe gbara anya mmiri na ọtụtụ ndị Igbo nọ n'ọgbara ọhụrụ a amaghị ihe gbasara erimeri ndị nnanna ha n'oge gboo. Ọtụtụ n'ime ha, ọkachasị ndị a mụrụ na mba ofesi amaghị etu e si esi nri ahụ, naanị ihe ha maara bụ nri ọgbara ọhụrụ a nke ụfọdụ n'ime ha adịghị mma n'ahụ ndị na-eri ya. Nke a mere na ọtụtụ ndị ntorobịa anaghị ebite ndụ aka dị ka etu nnanna ha siri bi n'oge ochie. Ọ bụ nsogbu a kpalitere mmụọ nwanchọcha ime nchọcha a nke isiokwu ya bụ "Erimeri ndị Igbo n'Oge Gboo na Oge Ugbu a: Mmetụta ya n'Ahụike na Obibi Ndụ ha". Ọtụtụ ihe ka ndị Igbo ọgbara ọhụrụ amaghị gbasara nri nnanna ha riri n'oge gboo. Ebumnobi nchọcha bụ ịchọpụta nri ndị nnanna riri n'oge gboo na ịmata nri ndị ntorobịa na-eri n'oge ugbu a. Ọzọ, ka a mata etu erimeri ndị Igbo n'oge gboo na oge ugbu a sị metụta ọnọdụ ahụike na obibi ndụ ha, Usoro nchọcha a gbasoro bụ nke sọvee. Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ mmekọrịta keerimeri (*Theory of sociology of nutrition*) nke Jean Anthelme Brillat-Savarian (1755-1826). Atụtu a na-enyocha ọdịdị na adịm mma erimeri, etu ndị si eri nri ha nakwa etu nri ndị a si emetụ ahụike mmadụ. Nwanchocha chọpụtara na ụfọdụ ndị ntorobịa a mụrụ n'oge ugbu a amaghị nri ụfọdụ ndị nnanna riri n'oge gboo dị ka ọna, anyụ, ero. Ha amaghịkwa etu e si esi nri ndị a nke ha ji ama ihe nri ndị a na-enye n'ahụ. Nchọcha a ga-abara onye ọ bụla uru n'ịhụ mkpa erimeri e ji maara ndị Igbo bụkwazi otu n'ime omenala Igbo dị. Ọ ga-abakwara ndị Igbo ọ bụla ọ kachasị ndị ntorobịa chọrọ ịma ihe niile gbasara erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbu a uru. Ọ ga-enye aka ka nri ndị Igbo ghara ịla. Nwa nchọcha na-atụ aro ka onye ọbụla tinye aka n'ịgba mbọ hụ na ndị Igbo laghachiri n'erimeri e ji mara ha n'oge gboo maka ahụike ndị Igbo niile.

## Mkpọlite

Omenala bụ ihe dị ọkpụ. Ọ bụ ụzọ ndị kwekọrịtara ha ga-esi na-ebi ndụ ha. Agbụrụ ọ bụla n'ala Naịjirịa nwere omenala e jiri mara ha. Ndị Igbo nwekwara omenala, nke erimeri ha so n'otu n'ime ha. A maara ndị Igbo dị ka ndị na-arụsị ọrụ ike nakwa ndị na-akọtanwu ọrụ ugbo ike. Ndị Igbo nwere erimeri dị iche iche ndị bụ n'ubi ha ka ha si akọpụta ha n'oge gboo. Ọ bụ nri ndị a ka ha na-eri wee ruo oge ndị ọcha batara. A bịa n'agbụrụ niile e nwere n'ala Naịjirịa, a na-ahụta ndị Igbo dị ka ndị nwere ọtụtụ erimeri n'oge gboo n'ihi oke mbọ ha na-agba mana oke nnabata omenala mba ndị ọzọ eweterela omenala Igbo ezi mkpagbụ na ndọghachi azụ. Ọ bụ n'ihi oke nnabata a mere ndị Igbo jiri hapụ nri e jiri mara ha ma makụgide nri ndị ọcha. Nri ndị Igbo so na mma ndị Igbo n'ihi na nri ha na-eme ka ahụ ha gbasie ike. Ọ bụ nke a mere e ji ahụta ndị Igbo dị ka ndị gbasiri ike ma pụọ iche n'ebe agbụrụ ndị ọzọ. Obodo tufuru omenala ya etufula aha ya. Otu ndị Igbo si anabata erimeri ndị ọcha taa na-egosi na ọ bụrụ na e nweghi ihe e mere maka ya n'ọdinihu, omenala ndị Igbo tumadi erimeri ndị Igbo ga-abụ ihe e chezọrọ echezọ.

Akwụkwọ nchọcha a nwere ebe odee wụrụ ya ụkwụ iji mee ka ya bụ nchọcha bụrụ ọka ibe n'ụdị nke ya. N'ihi ya, a ga-asị na nchọcha a bụ nke gbadokarịrị ụkwụ n'ịzịpụta ka erimeri ndị Igbo n'oge gboo na oge ugbu a sị metụta ya n'ọnọdụ ahụike na obibi ndụ ha. Ndị Igbo bụ ndị a maara nke ọma dị ka ndị nwere ọtụtụ erimeri n'oge gboo mana ọ dịzi ka a ga-asị na erimeri ndị a dara mmiri n'ihi na ọtụtụ amaghị maka nri ndị ahụ ma ya fọdụzie etu e si esi ha. Nke a bụ ihe mwute dịrị ndị Igbo hụrụ ihe gbasara omenala Igbo n'anya ma sorokwa n'ihe mere na ọtụtụ

ndị ntorobịa na ndị igbo oge a anaghị ebite ndụ aka dị ka etu nnanna ha siri bi n'oge ochie ebe ọtụtụ na-arịa ọrịa n'ihi ihe ha ritere n'ọnụ. Ọ bụ nsogbu a kpalitere nwanchọcha ime nchọcha n'isiokwu a.

Ihe ọ bụla mmadụ na-eme kwesịrị ka o nwee okere ọ na-emedebe ya n'ihi na ọ bụ naanị akịdị bụ ihe amaghị oke mere ka ọ na-eko ebe ọ bụla masịrị ya. Ọ bụ okere ahụ bụ nke ga-agbaziri onye ahụ ihe ndị ọ ga-emetụ aka na ndị ekwesịghị ka o metụ aka. Ya mere, okere nchọcha a gbadoro ụkwụ n'erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbu a nakwazị etu o siri metụta ahụike na obibi ndụ ndị Igbo.

**Ebumnobi nchọcha a gụnyere:**

i) Ịmata ụfọdụ nri ndị Igbo riri n'oge gboo,

ii) Ịmata nri ndị ntorobịa na-eri n'oge ugbu a,

iii) Ịmata etu erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbu a sị metụta ahụike na obibi ndụ ha,

v) Ịkọwapụta ụzọ a ga-esi laghachi azụ na nri ndị Igbo n'oge gboo.

Ọ dị ụfọdụ ajụjụ ndị nyeere nwanchọcha aka iji zipụta ihe ndị ahụ o bu n'uche iji tụnye ụtụ na nchọcha nakwa na mmụta.

**Ajụjụ ndị ahụ gụnyere:**

i) Kedụ ụfọdụ nri ndị Igbo riri n'oge gboo?

ii) Kedụ nri ndị ntorobịa na-eri n'oge ugbu a?

iii) Olee etu erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbu a sị metụta ahụike na obibi ndụ ndị Igbo?

v) Kedụ ụzọ a ga-esi gbochie nsogbu ndị a?

Mmadụ ọbụla na-eme ihe niile ọ na-eme maka uru ọ ga-enweta n'ihe ahụ. E mere nchọcha n'isiokwu a n'ihi uru a ga-erite na ya. Nchọcha a ga-enye aka ka omenala Igbo tụmadi nri ndị Igbo kwudosie ike. Nchọcha a ga-abara onye ọ bụla uru n'ịhụ mkpa erimeri ndị Igbo bara. Ọ ga-abakwara ndị Igbo ọ bụla ọ kachasị ndị ntorobịa chọrọ ịma ihe niile gbasara erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbu a uru. Ọ ga-enye aka ka nri ndị Igbo ghara ịla. Nchọcha a ga-enyere ndị nchọcha ọzọ aka, ọ kachasị ndị na-eme nchọcha n'isiokwu yitere nke a ịhụ ebe e deturu ihe n'isiokwu a edetu. Ọ ga-abụkwa ngwa nkụzi nye ndị nkụzi Igbo na ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo na omenala Igbo na-amasị. Ọ ga -abara ndị Igbo niile uru ọ kacha ndị anaghị enwe mmasị n'iri nri ndị ahụ e ji mara ndị Igbo n'ihi na ọ ga-ekpughere ha na nri Igbo niile nwere ụzọ ha si akwalite ezi ahụike.

**Ntụleghari Ihe ndị e Deerela**

N'ebe a ka e lebara anya n'ịkọwa okwu ụfọdụ dị iche iche metụtara isiokwu a na-eme nchọcha na ya. Ụfọdụ n'ime isiokwu ndị ahụ gụnyere: Omenala, ndị Igbo, asụsụ, ahụike na erimeri.

**Omenala**

Ọtụtụ nkọwa ka e nyegoro okwu a bụ omenala mana otu ihe gbara ọkpụrụkpụ nkọwa niile ahụ na-ekwu bụ na ọ bụ ụzọ ndụ otu agbụrụ. Ndị ọkàmmụta dị iche iche enyela nkọwa dị iche iche gbasara omenala. Ụfọdụ n'ime ndị ọkammụta nyere nkọwa n'isiokwu a gụnyere:

Emenanjo (2004) mere ka o doo anya na omenala bụ naanị mmadụ nwee ya. Nke a pụtara na e nweghị ike ịsị na ụmụ anụmanụ nwe omenaala. Ọ dị mma ka a mata na ọ bụ asụsụ bụ isi sekpụ ntị e ji ezipụta omenala. Asụsụ na

omenala bụ naanị mmadụ nwe ya. Linton (1945) kwuru na Omenala bụ etu ndị si eme ihe ha; etu ha si akpa agwa, nkwenye ha, njirimara ha nke ha nabatara ma na-ahafenye ha site n' ọgbọ rue ọgbọ. Ebe a na-akọwa na omenala bụ etu agbụrụ ọ bụla si wee na-eme ihe n'agbụrụ ahụ. Ọ na-akọwakwa na ọ bụ njirimara ndị mere ha ji dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ. N'aka nke ọzọ, Tylor (1972) na-akọwa omenala dị ka ihe mgbagwoju anya nke gụnyere ihe ọmụma, nkwenye, nkà, iwu, omume, omenala, na ikike na àgwà ndị ọzọ nke mmadụ nwetara dị ka onye òtù ọha.

Taylor (1970) n'echiche ya sịrị na Omenala bụ mgbakọta ọnụ nke ihe niile mmadụ mụtara dị ka, akaọrụ, nka, nkwenye, na amamihe igwe mmadụ nwekọrọ ọnụ nke ha na-ahafenyekwa n'aka ụmụ ha ka o wee si n'aka fere aka. Ọ na-akọwa na omenala bụ ihe ndị nnanna na-ahafenye n'aka ụmụ ha, ụmụ ha ahafenyekwa n'aka ụmụ nke ha, ọ bụ otu a ka ọ si na-aga n'ihu. O nweghị ụzọ ọzọ a ga-esi mee nke a ma ọ bụghị iji asụsụ were zi ya ụmụaka. Nke a ga-eme ka e lebanya anya n'ihe asụsụ pụtara.

**Asụsụ**

Ọtụtụ ndị mmadụ esila ụzọ dị iche iche kọwaa ihe bụ asụsụ, mana isi sekpu nti na nkọwa ndị a niile bụ na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya na-esi enwe mkparịtaụka n'etiti onwe ha. Ọ bụkwa ụda e mepụtara site na mmetụta njiakpọ okwu dị iche iche nke nwere nghọta site na nkwekọrịta ọhanaeze nwere n' asụsụ ahụ.

Mmadụ dị ka Hannah Kilham n'afọ 1828 chọpụtara uru ọ bara iji asụsụ e ji mụọ nwata kuziere ya ihe. Strickland (1957), hụrụ asụsụ ka ukwu mkpọtụ na nghọta nke otu agbụrụ asụsụ nkwekọrịta. Dị ka ngwa mmekọrịta, o nweghị onye na-asị na asụsụ adịghị ma ọ bụ na ọ baghị uru. Onye ọ bụla matara mkpa ọ dị.

Ngoesi (2004) dị ka a hụrụ ya n' Orji (2024) kọwara na asụsụ bụ, "iji mkpụrụokwu nwegasịrị nghọta ndị e nwereike ịsụ asụ, dee edee maọbụ gụọ agụọ, mee ka a mata ebumnobi mmadụ". Nke a gosiri na asụsụ ga-abụrịrị ihe nwere nghọta ma doo anya. Emenanjo (2004) kwuru na asụsụ bụ naanị mmadụ na-eji okwu ọnụ nwere mpụtara ezipụta mbunuche ya. N'ihi nke a, ọ bụ naanị mmadụ nwee asụsụ. Ihe odee a na-akowa bụ na asụsụ na-emetụkarị ọsụsụ n'ihina a ga-esite n'ihe mmadụ kwuru, ghọta onye ahụ, bụ ihe o bu n'uche nakwa ọnọdụ ya mana e dee asụsụ ede, a gaghị esicha na nke e dere ede matacha ihe ndị a n'ihina odee nwereike na-eche ihe ọzọ ebe ọ na-ede ihe ọzọ. Ọzọ bụ na e nweghị ka a ga-esi kwuo maka asụsụ, mmadụ aghara ịbata na ya n'ihina asụsụ bụ mmadụ nwe ya. Ọ bụ nke a mere ọtụtụ jiri ekwu na asụsụ na mmadụ gbara akwụkwọ bụrụzịa di na nwunye.

Ọ bụ nke a ka Ọfọmata (2007:5) jiri si:

> Ndị ọbụla nwere asụsụ e jiri mara ha. Ndị Igbo nwekwara asụsụ e jiri mara ha, ọ bụ asụsụ a ka onye ọbụla kpọrọ onwe onye Igbo na-asụ. Asụsụ so n'omenala n'ihina ọ bụ site na asụsụ ka e si amata agbụrụ onye si. N'ihi nke a, asụsụ Igbo na-akọwa agbụrụ Igbo. N'ala Igbo, e nwere ọtụtụ olundị mana ha niile ka a maara dị ka asụsụ Igbo. Ọ bụ ya mere ndị Igbo ji ekwu si na, "Igbo na-asụ n'olu n'olu mana ha kwaa ụkwara, ọ bụrụ *ótù*".

Na nkọwa Anozie (1999), ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji eme ọtụtụ ihe ọ na-eme kwa ụbọchị. Ihe e ji asụsụ eme dị ọtụtụ. Ọ bụ naanị mmadụ nwere asụsụ, ụmụ anụmanụ anaghị asụ asụsụ n'ihi na ọ bụghị ebumputa ụwa.

Bamgbose (2003) hụtara asụsụ dị ka ngwaọrụ e ji ewepụta ndiiche n'obodo. N'ụzọ nkenke asụsụ bụ ngwaọrụ e ji enwe mmekọrịta. Ọtụtụ n'ime anyị anaghị esonye n'ihe ndị a na-emegasị na gburugburu anyị n'ihe na anyị anaghị aghọta asụsụ e ji eme ya.

Egbokare (2004) kwuru sị na mmekọrịta asụsụ ọ bụla na ndị mgbasaozi na-adị ike nke ukwuu n'ime ike asụsụ ahụ bawanye, mekwaa ka ìgwè mmadụ nwee ezigbo mmasị na ya, na-asụ ya.

Obidiebube (2007) kwuru na e wepu asụsụ, ụwa anyị bi n'ime ya ga-abụ ihe efu. Ọ bụkwa asụsụ ka e ji enyefe omenala site n'aka fere aka. N'ihi ya, asụsụ fuo, omenala efuola kpamkpam. E wepu asụsụ, mmadụ agaghị na-echekwa echiche n'ihi na ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji eche echiche. Ndị ọ bụla nwere usoro ha si elegara ụwa anya, usoro nkwenye ha, usoro ha si akọwa ihe, tinyere ihe ndị ọzọ na-eziputa ihe ndị ahụ. Asụsụ fuo, ihe ndị ahụ abụrụla akụkọ mgbe ochie. Tupu ndị ọcha ewere asụsụ Bekee bịa n'ala anyị, ndị Igbo bi n'ala ha na-asụkwa asụsụ ha n'Igbo.

Nwadike (1992) kwadoro nke a site n'ịsị na asụsụ bụ njirimara onye, o du onye ije. O kwuru na onye asụsụ ya furu, na ya onwe ya efuola. Na nchịkọta, ọ bụ asụsụ ka a ga-eji akụziri ndị ntorobịa oge ugbua omenala Igbo tụmadụ n'ebe erimeri Igbo dị. Ọ bụkwa site n' asụsụ ka omenala obodo si amụwanye site n'aka nne na nna banye n'aka ụmụaka.

**Ndị Igbo**

Ndị Igbo bụ ndị na-asụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala Naịjirịa ndị bụ Igbo, Awụsa na Yoruba. Ha bụ ndị Chineke kesiri ike n'akpụkpụ ahụ ma bụrụkwa ndị na-agba mbọ n'ihe niile. Ụmụ nwọke ha na-ada dimkpa ma na-agbasikwa ike ebe ụmụ nwaanyị ha na-enwe ahụ ma na-amakwa mma ile anya. Ụcha akpụkpọ ahụ ha na-abụkarị oji, e nwekwara ụfọdụ ndi akpụkpọ ahụ ha na-acha ọcha. Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ atọ pụtara ihe n'ala Naijirịa. Ha bụ ndị e ji asụsụ Igbo wee mara. Okwu a bụ Igbo bụ okwu e nwere ike izipụta n'ụzọ atọ. Ha bụ:

i) E ji ya akọwapụta ebe obibi ha (*Igbo territory*)

ii) E ji ya akọwapụta ndị ahụ na-asụ Igbo dị ka asụsụ ha (*Igbo speakers*)

iii) E jikwa ya ezipụta asụsụ ahụ n'onwe ya (*Language itself*)

N'ihe gbasara mmalite ndị Igbo, o nweghi onye maara oge ma ọ bụ ebe ndị Igbo si malite. Ọtụtụ ndi ọkammụta n'Akịọlọji, Antrọpọloji na Hịstrị emeela ọtụtụ nchọcha dị iche iche banyere ebe na etu ndị Igbo si malite mana o nweghi nke e kwekọrịtara na ya n'ihi na o nweghi onye kwenyere na nke ibe ya kwuru.

Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị gwuru ala n'ebe dị iche iche dị ka Igbo-ukwu na Okigwe ka ha wee chọpụta ihe ga-enyere ha aka ịkọwapụta mmalite ndị Igbo. Na nchọpụta ha, a ghọtara na ọ dịlarị anya ndi Igbo ji malite ndụ n'elu ụwa.

Otu ọkammụta bụ Michael Ọnwụejeogwụ, ọkammụta na Soshịọlọjị na Antrọpọlọjị kọwara na ndị Igbo malitere ndụ ha mgbe otu nwoke a na-akpọ Eri malitere ịchịkọta ọtụtụ obodo didebere Osimiri Ọmabala. Ọ bụ n'oge ahụ ka ya na ndị otu ya chọpụtara obodo ndị a: Agụleri, Umuleri, Ịgbarịam, Amanuke, Nteje, Nando na Ọkụzu. Ọ bụzi site n'obodo ndị a ka ala Igbo si wee gbasaa.

Ọkammụta Adiele E. Afigbo (1981) kwuru na ndị Igbo malitere ndụ ha n'ebe Osimiri Naịja na Benue jikọtara nke dị na Lokoja. O mere ka a ghọta na ọ bụ ebe ahụ ka ndị Igbo sikwa wee gbasaa.

Onye ọzọ kwuru ka ndị Igbo si malite bụ Ọlauda Equiano (1882), onye mere ka a ghọta na ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ ndị Juu gahiere ụzọ oge ha hapụrụ ala Ijipt na-eje ala nkwa. Ihe o jiri kwue nke a bụ na ọ sịrị na ụzọ ndụ ndị Juu na nke ndị Igbo yitere onwe ha n'ebe dị iche iche, o kwuru na ọ bụ etu ndị Igbo si eji ihe mere ha na ndụ agụ nwa ọhụrụ aha ka ndị Juu si eme. Na ndị Igbo na-ebi nwa ugwu n'ụbọchị asatọ dị ka ndị Juu si eme, Ndị Igbo nwere nkwenye n'otu Chineke nke kere ihe niile dị ka ndị Juu kwenyere. Ha kwenyekwara n'ịchụ aja dị iche iche dị ka ndị Juu. Mmemme alụmaalụ ha na nke ndị Juu yitekwara n'ụzọ dị iche iche.

Na nkọwapụta nke a, ụfọdụ ndị Igbo kwenyere na ya ebe ụfọdụ ekwenyeghị n'ihi na ha siri na omenala otu agbụrụ na ibe ya nwere ike iyite onwe ha mana nke a agaghị eme ka a sị na agbụrụ ndị ahụ bụ otu. N'ihi nkọwa

ndị a niile, e nwebeghi kpọmkwem ebe ma ọ bụ etu a ga-asị na ọ bụ ka ndị Igbo si malite. Ka o sila dị, ndị Igbo bụ ndị e ji omenala na nkwenye dị iche iche mara. Ha bụkwa ndị ejighị omenala na nkwenye ha egwu egwu.

**Ahụike**

Ahụike nwere nkọwa dị iche iche, nke na ọtụtụ ndị ọkammụta ejirila maka ya kọwapụta ebumnuche dị iche iche.

Dị ka Obi (2012) siri kọwaa, ahụike bụ ụzọ mmadụ sị elodo onwe ya, dị ka mmega ahụ mgbe niile na ụra zuru oke nakwa site n'ibelata ma ọ bụ zeere omume ma ọ bụ ọnọdụ adịghị mma, dị ka ise igbo ma ọ bụ oke nrụgide.

Onwuekwe (2017) nyere nkọwa na ahụike bụ ọnọdụ ihe zuru oke nke anụ ahụ, nke uche na nke ọha, ọ bụghị naanị enweghị ọrịa ma ọ bụ adịghị ike. Nke a pụtara na ọ bụghị naani mgbe mmadụ anọghị n'ọrịa ka a na-asị na mmadụ nwere ahụike. Mgbe akụkụ ahụ mmadụ na-arụ ọrụ nke ọma, nke a bụkwa ahụike.

Dị ka Nnaegbo (2017) siri nyee nkọwa, ahụike nke mmadụ niile bụ ihe dị mkpa iji nweta udo na nchekwa ma dabere na nkwado zuru oke nke ndị mmadụ n'otu n'otu na steeti. Mmezu steeti ọ bụla na nkwalite na nchekwa ahụike baara mmadụ niile uru. Mmepe na ahaghị nhatanha na mba dị iche iche n'ịkwalite ahụike na ịchịkwa ọrịa, karịsịa ọrịa na-efe efe, bụ ihe ize ndụ nkịtị.

Nzụlite ahụike nke nwatakịrị bụ ihe dị mkpa; ike ibi n'otu n'otu na gburugburu ebe obibi na-agbanwe agbanwe dị mkpa maka mmepe dị otú ahụ. Mgbakwunye na ndị mmadụ niile nke uru nke ahụike, nke uche na ihe ọmụma metụtara ya dị mkpa iji nweta ahụike zuru okè. Echiche ọmụma na imekọ ihe ọnụ n'akụkụ ọha na eze bụ ihe kacha mkpa na nkwalite ahụike nke ndị mmadụ.

Gọọmenti nwere ọrụ maka ahụike nke ndị mmadụ nke a ga-emezu naanị site n'inye usoro ahụike zuru oke na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Otu mba ụwa okwu ahụike dị n'aka bụ otu "*World Health Organisation (WHO)*" kọwara ahụike dị ka ọnọdụ mmadụ ịdị mma n'anụ ahụ. Talcott Parsons (1951) kọwara na ahụike bụ mgbe mmadụ gbasiri ike ma sonye n'ihe mmeghari ahụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Dahlgren and Whitehead (1991) kọwara na ihe na-eso akpalite ahụike bụ ụdị ndụ mmadụ na-ebi, ebe mmadụ hụrụ onwe ya na ọnọdụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Aaron Antonovsky (1979) kwuru na ahuike bụ ọnọdụ mgbe ọrịa anọghị n'ahụ, uche, ụbụrụ na gburugburu mmadụ.

**Erimeri**

Erimeri bụ ihe ọ bụla mmadụ na ụmụ anụmanụ na-eri iji dị ndụ. E nwere erimeri dị iche iche dị ka a ga-ahụ n'ọdịniihu. Ndị Igbo bụ ndị na-agbasi mbọ ike n'ịkọta ihe ha ga-eri. Ọ bụ nke a mere na a na-ahụta ndị Igbo dị ka ndị siri ezigbo ike.

**Obibi Ndụ**

Merriam-Webster (2017) kwuru na obibi ndụ bụ usoro nke ndụ nke mmadụ ma ọ bụ otu, gụnyere omume, àgwà, na ihe ndị ọzọ. Giddens, (2013) kwuru na obibi ndụ bụ usoro nke omume na omume ndị na-egosi otú mmadụ si emekọrịta na gburugburu ya. Ritzer (2015) dere na obibi ndụ bụ usoro nke ụdị ndụ nke na-emetụta omume, echiche, na omenala nke mmadụ. Bourdieu (1984) mere ka a amata na obibi ndụ bụ ihe na-egosipụta nhọrọ na omume nke otu nke na-enyere aka ịkọwa njirimara nke otu ahụ. Nkọwa ndị a niile na-arụga aka n'otu ihe. Ya bụ na obibi ndụ bụ ụkpụrụ ndị si eme ihe ha na-eme.

**Mgbanwe Ọha**

Mgbanwe ọha bụ ihe e nwere ike ịkpọkwa nsogbu mmepe obodo. Mgbanwe ọha a bụ nke maliteralị kemgbe afọ 1980 na 1990 site na mmepe ọtụtụ obodo ọkachasị na mba Afrịka. Mgbanwe ọha bụ nsogbu n'ihi na ọ bata, ọ na-ejide etu otu maọbụ obodo si eme ihe gbanweghariạ ya n'ụdị ọgbara ọhụrụ nke na oge ụfọdụ, ụdị mgbanwe a batara na ntọala ahụ na-ejide ka ha si emebu ihe na mbu gbanwee ma mee ka ha tufuo ejirimara ha nakwa ụzọ ndụ ha dị ka ọ dị n'ala Igbo taa. Ya mere, ọtụtụ ndị kọwara mgbanwe ọha dị ka Kingsly Davis kwụrụ na mgbanwe ọha bụ mgbanwe ndị ahụ na-abata n'otu nke na-emetụta ka ha si hiwe otu ahụ nakwa etu otu hụ si arụ ọrụ ya.

Ndị Soshọọlọjị gakwara n'ihu na nkọwa nke ha kwuo na ha na-ahụta mgbanwe ọha dị ka mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke nwere ike ịgbanwe omenala na gburugburu onye ahụ. Mgbanwe ndị ahụ nwere ike iweta nnukwu nsogbu na gburugburu onye ahụ maọbụ n'omenala onye ahụ n'ihi na ọ ga-eme ka onye dị etu ahụ hapụ ụzọ ndụ nke ya kpamkpam ma gbasoo usoro ọhụrụ ahụ e webataara ya ma chefuo na onye tufuru omenala ya etufuola ejirimara ya.

**Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ nke a kpọrọ atụtụ mmekọrịta kerimeri (*THEORY OF SOCIOLOGY OF NUTRITION*) nke Jean Anthelme Brillat-Savarian chọpụtara n'afọ 1755-1826. Atụtu a na-akọwa maka mmekọrịta dị n'etiti erimeri nakwa ndị na-eri. Atụtụ a na-akọwa na nri abụghị naanị iji dozie mmadụ ahụ kama ọ bụ otú ihe dị oké mkpa n'izipụta omenaala ndị. Onye chọpụtara atụtụ a na-akọwa na ihe ndị na-eri nakwa etu ha si eri ya na-egosipụta obibi ndụ ndị nakwa ụdị mmekọrịta ha na-enwe.

**Mmetụta Atụtụ a n'Isiokwu Nchọcha**

Ebe a matarala na ihe atụtụ a na-ekwu maka ya bụ ịmata mmekọrịta dị n'etiti mmadụ na ihe ọ na-eri, a matakwara na ihe mmadụ na-eri na-eso ezipụta etu onye ahụ si akpa àgwà. N'ihi nke a, a ga-eji atụtụ a gosipụta erimeri ndị igbo dị iche iche nakwa etu e si eri ha.

**Ntụleghari Edemede Nchọpụta ga**

E meela nchọpụta ga banyere isiokwu yitere nke a mana o nweghị nke rụtụrụ aka kpọmkwem n'ihe isiokwu nchọcha a na-ekwu. N'ihi nke a, nchọpụta isiokwu nchọcha a ga-enweta na nke ha agaghị abụ otu. Nchọcha ndị e merela metụtara isiokwu a na-ede maka ya bụ ndị rụtụgasịrị aka n'ihe ndị dị iche iche.

Obiakọ (2019) dere ihe n'omenala ndị Igbo n'ebe o metụtara ịha mmiri n'obodo Isuọfịa. Dị ka nchọcha ya siri dị, o sitere na ya nwee ebumnobi ịchọpụta ka ịha mmiri dị n'obodo Isuọfịa n'oge gboo na n'oge ugbu a. Na nchọpụta ya, o mere ka onye ọ bụla mara na usoro ịha mmiri n'obodo Isuọfịa abụghị ka ọ dị n'oge gboo ka ọ dị ugbu a n'ihi na ụfọdụ na-eji ya emegide ibe ha ugbu a. Isiokwu Obiako na-ekwu maka oge gboo na oge gboo, na-ekwukwa ihe metụtara omenala ndị. Na nchịkọta, odee a niile nwere otu ihe jikọrọ akwụkwọ ndi a ha dere, ihe ahụ bụ na odee ndi a zipụtara omenala Igbo na ka o siri gbaa gburugburu. A bịa na ndịiche, ọ bụghị otu echiche odee nke a na-ede n'akwụkwọ ya ka odee ndị ọzọ na-ede, ha niile gosipụtara echiche nke aka ha. Etu a ka ọ dị n'edemede nchọcha a, nwanchọcha gosipụtara nka ya n'ihe gbasara mmetụta erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbu a. Orji (2023) dere na Ngwaa metụtara osisi na oriri: Atụtụ Amụmamụ Ncheke. Ọ kọwara na e nwere ụzọ dị iche iche ndị Igbo si eri erimeri ha. Iji maa atụ: ndi Igbo na-elo akpụ elo, ha na-aracha ofe aracha. Ndị Igbo na-aṅụ mmanya aṅụ wdg. Nchọcha Orji bara uru na nchọcha a n'ihi na ha abụọ gbadochara ụkwụ n'erimeri n'agbanyeghị na ọ bụghị otu ihe ka ha na-ekwu.

**Nchịkọta Ntụleghari Agụmagụ**

Edemede nchọcha a gbadoro ụkwụ n'erimeri ndị Igbo dị ka o si wee metụta ahụike, asụsụ na obibi ndụ ndị Igbo. Nchọcha a gbara mgbọrọọgwụ ya n'omenala Igbo nke asụsụ na erimeri so n'ụzọ nzipụta ya. Nke a bụ ezie n'ihi na ihe a kpọrọ omenala bụ ihe zuru agbụrụ ọnụ ma ọ bụ ihe obodo kwetara na ha ga na-eme ma na-edebe iwu ya.

N'ime nke a, a kọwara etu ndị Igbo siri eri erimeri ha n'oge gboo, lebaa anya n'asụsụ na ahụike iji mejupụta ebumnobi isiokwu nchọcha a. E lebakwara nchọcha na ihe ederede ndị ọzọ derela dị ka o si metụta isiokwu a. A kọwara ụfọdụ ọkpụrụkpụ okwu mejupụtara isiokwu nchọcha a maka nghọta isiokwu a n'ụzọ dị mfe.

**Ntụcha Nchọpụta**

**Nri ndị Nnanna anyị ha Riri n'Oge Gboo**

Ụfọdụ nri ndị Igbo riri n'oge ochie gụnyere:

**i) Akpụ**

Akpụ bụ nri ndị igbo hụrụ n'anya nke ukwuu. Ọ na-enye ike. A na-eji ofe dị iche iche dị ka ofe ọnugbu, ọha, egusi, ọgbọnọ eri ya. Ọtụtụ ndị igbo hụrụ iri akpụ n'anya nke ukwuu. Nke a kpatara na ebe ọbụla a na-eme mmemme, a na-esi akpụ nakwa ofe dị iche iche.

**Usoro e si esi akpụ:-**

Nke mbụ a na-agbaso n'isi akpụ bụ na a na-abụta akpụ n'ugbo, bacha ya ma banye ya na mmiri. Ọ ga-adị na mmiri abalị atọ. Nke a bụ ka o wee ruo nke ọma. Mgbe o ruru, a yọọ ya ma tinye ya n'akpa ka mmiri gụpụchaa na ya. Mgbe a chọrọ isi ya, a gwọọ ya n'ikwe ma tinye ya na mmiri ọkụ e sinyere n'ọkụ na-asụ asụ. A na-esi ya ugboro abụọ tupu ọ dị mma oriri. Nke a pụtara na a na-esi ya nke mbụ, ọ dịa nkeji ise, a guputa ya ma sụọ ya. A ga-akpụkwa ya obere obere ma sinyeghari ya n'ọkụ nke ugboro abụọ. Ọ dịa ihe dị ka nkeji iri, a gụpụta ya, sụọ ya ọzọ maka iri ya.

**ii) Ji:**

Nkọwa ji na usoro e si esi ya : ji bụ otu n'ime nri ndị Igbo ejighị egwuri egwu. Ọ bụ nri zuru Igbo ọnụ. Ndị Igbo na-akpọ ya mba ji. E nwere ụzọ dị iche iche e si esi ji. Nke mbụ, e nwere ike ịhụ ya n'ọkụ ma were mmanụ na ụkppaka, nnu, ogiri na ose were rie ya. Nke abụọ bụ na e nwere ike iji akwụkwọ nri dị ka ugu maọbụ "*GRIIN*" were gwọọ ya agwọ. E nwere ike isi ya ji awia, nke a pụtara ibecha ya, gbanye ya mmiri ma tinye nnu, ose, mmanụ, magi na "*KARAFISH*" were sinyezie ya n'ọkụ. Ụzọ ọzọ bụ na e nwere ike iji ya sụọ nri ji ma were ofe loo ya dị ka akpụ.

**iii) Ero**

Oge gboo, ụfọdụ na-eji ero emere anụ, mana ugbua, ọtụtụ na-eji ya emere ihe e ji atagharị ọnụ n'ime ofe n'agbanyeghi na anụ ga-adịkwa n'ofe ahụ. Ero na-atọ ụtọ n'ofe mana ọ bụghị ha niile dị mma itinye n'ọnụ, nke a mere na onye amaghị anya ero ekwesịghị ịkpata ero n'ọhịa.

**iv) Ede**

N'oge ochie, ụfọdụ ndị mmadụ ji akwụkwọ ede mere akwụkwọ nri ha ji agwọ ji. N'aka nke ọzọ, mkpụrụ ede n'onwe ya bụ ihe a na-eji eme ụrị nke na-eme ka ofe rọọ arọ, ebe a na-eri ụfọdụ n'ime ya eri. Ugbua, a na-esi ede esi rie ya etu e si eri ji. A na-esi ede agwọrọ agwọ, ụfọdụ ndị na-eghe ya eghe na-ata ya ka ihe ntagharị ọnụ a kpọrọ '*cocoyam chips*' n'olu Bekee. A na-ejikwa ede asụ ụtara akpụ. E jikwa isi ede agwọ ede opoto. E nwere ụdị dị iche iche dị ka ede ulii na ede koko, a na e ji ede ulii esi ofe. A na-esi ede koko rie ya dị ka ji. N'oge gboo, a na-amachu ede amachu.

**v) Akwụkwọ Nri :** Ndị Igbo bụ ndị a maara dị ka ndị na-erite akwụkwọ nri nke ọma n'oge gboo mana ugbu a, ọ dịghịzị etu ahụ. Akwụkwọ nri dị iche iche ndị Igbo na-eri n'oge ahụ gụnyere: ụgụ, griin, ụzịza, ụtazị, ọra, ụtụrụkpa, onugbo, wdg.

**vi) Osikapa :** Nke a bụ otu n’ime nri ndị Igbo n’oge gboo, a na-eji karafish, okpeghe, mmanụ nri, azụ, nnu na akwụkwọ nri esi ya n’oge gboo mana ugbua, ihe a na-akwakọnye na ya na-eme na a maghị ebe ihe na-egbu ndị Igbo si.

**vii) Anụ :**

Anụ ndị Igbo na-erikarị n'oge gboo bụ anụ ọhịa dị ka, nchi, ewite, ọsa, ụsụ. Anụ ọkụkọ na ewu sokwa n'anụ a na-ata n'oge gboo mana ugbua, ọ bụzi anụ ndị Bekee kpọrọ "*Frozen meat*" ka onye ọbụla chịrị aka wụnye.

**vii) Anyụ:**

Ọ bụ akwụkwọ ụgbọgụrụ na-amị anyụ. Isi ya na- ebutu ibu ma nwekwaa ndị pere mpe. Anyụ bụ otu n'ime ihe ndị Bekee kpọrọ "*VEGETABLE*". Ọ na-enye ìhè n'ahụ. E nwere ike iji ya sie ji, ya bụ a na-eji ya agwọ ji. A na-ejikwa anyụ ete ofe. Oge ugbua, ndị agbata ọhụrụ, ndị a mụrụ n'oge ugbua amaghịzi ihe anyụ bụ.

**viii) Ọna:** Nke a bụ otu n'ime nri ndị nna nna anyị riri n'oge gboo. Ọna bụ nri na-atọ ụtọ. A na-esite ya aka tupu o ghee nke ọma. E nwere ọna na-acha uhie uhie ma nwee nke na-acha ọcha. A na-etinye ọna n'ite, gbanye ya mmiri ma sie ya. Mgbe o ghere, a ga-ejinwu mmanụ nri na nnu e tinyere ogiri na ụkpaka were rie ya. Ugbua, ndị na-etolite eto amaghị ihe ọna bụ ma ya fọzie ịma etu e si esi ya.

**ix) Ụkpaka :** Nke a bụ otu n'ime nri ndị Igbo na-eri. Ọ na-enye ọbara ma na-enyekwa aka ịgbasi ahụ mmadụ ike. E ji ụkpaka eme ihe dị iche iche dịka ịgwọ abacha. E ji ya eri ji. E nwere ike igwo ya agwọ, mgbe a gwọrọ ya agwọ a kpọọ ya ụgba.

**X) Ụkwa :**

Nke a bụ otu n'ime nri ndị Igbo. Igbo ejighị ya egwu egwu n'oge gboo. Ọ bụ mgbe ụkwa ruru oge ọ ji kaa aka ka ọ ji ada. Ọ daa, a na-ahapụ ya ka o[ ree ere nke ọma. E buruzie ya machaa ya ma sachapụ ya ka ọ dị ọcha. E nwere ụzọ dị iche iche e nwere ike isi wee kwadoo ụkwa. E nwere ike ite ya ete. A na-eghekwa ya eghe. A na-esi ya etu e si esi agwa. Mgbe e tere ukwa ete, a na-etinye ma onugbu na ngwụ na ya.

**xi) Akịdị:**

Nke a bụ otu n'ime nri ndị Igbo na-eri n'oge gboo. A kọọ mkpụrụ akịdị n'ugbo a na- etinye ya osisi toro ogologo iji gbazie uto ya. Mgbe akịdị kara aka, a na-aghọta ya. A na-agwọ akịdị agwọ. Oge a na-agwọ akịdị a na-etinye nnu, mmanụ, ogiri, ụkpaka. Ụfọdụ na-eji ji maọbụ jioko agwọ ya.

**xii) Ọkpa:**

Nke a na-adị na mkpụrụ na mkpụrụ. A na-ebu ụzọ kwọọ mkpụrụ ọkpa akwọọ tupu e tinye ya ose, nnu na mmanụ. A na-eji akwụkwọ jioko ekechi ọkpa tupu e sinye ya n'ọkụ.

**Mgbanwe ndị ọzọ ndị Ọcha Wetara n'Ala Igbo**

Ọtụtụ omenala na ụzọ e si eme ihe gbanwere kpam kpam ebe a hazịgharịrị ụfọdụ ka ha si dị ndị ọcha mma n'oge ahụ. Igbo mụtakwaranụ ọtụtụ ihe n'aka ndị ọcha, ụfọdụ dị mma mana ụfọdụ mere ndị Igbo etufuo nke ha. Ihe ndị ọzọ gbanwere gụnyere:

Etu ndị Igbo si esi nri mgbe ndị ọcha bịara. Igbo nwere ihe ndị na-eme ka nri tọọ ụtọ ha ji esi nri ha dị ka ogiri, okpeghe, mkpụrụ ụzịza, ehu na efuru mana ka ndị ọcha bịachara, onye ọbụla chịịrị aka tinye na nke ndị Bekee kpọrọ “*spices*” bụ nke na-eme ka nri tọọ oke rịrịrị. Ndị Igbo na-ejibu ite a kpụrụ akpụ a na-akpọ ọkụ esi nri mana ugbua, ọtụtụ amaghị ihe ọkụ maọbụ ite a kpụrụ akpụ bụ. Ụfọdụ nri ndị ntorobịa oge ugbu a na-eri gụnyere: “*saladi, shawama, ndomi, piza nakwa ndị ọzọ”*.

**Etu Erimeri ndị Igbo n'Oge Gboo na n'Oge sị Metụta Asụsụ, Ahụike na Obibi Ndụ ha**

Ndị Igbo bụ ndị ejighị nri ha na-eri egwuri egwu n'oge gboo, ha na-agba mbọ hụ na ha riri ezigbo nri. A bịa n'etu erimeri ndị Igbo si metụta ọnọdụ ahụike ha, a chopụtara na ụzọ ndị Igbo si esi nri n'oge gboo anaghị arịa ha ahụ n'ihi na nri ọ bụla ha sịrị, ha ga-etinye ya ọtụtụ akwụkwọ nri. Akwụkwọ nri a na-enye aka idozi ahụ ha ma nye ha ọbara, na mgbe gboo, ọ rịarịa ahụ tupu a hụ onye Igbo ọ bụla ka ọ na-arịa ahụ n'ihi na ọkpụkpụ ha kpọrọ akpọ. Ha amaghị ihe ndị a ndị ọgbara ọhụrụ a na-etinye na nri ha, naanị ihe ha maara bụ ogiri, uziza, efuru, akwụkwọ nri, unele nakwa ihe ndị ọzọ dị n'oge gboo na-eme ka nri na-atọ ụtọ.

N'ihe gbasara asụsụ ha, a chọpụtara na nri niile ndị Igbo riri n'oge gboo nwechara aha Igbo a na-akpọ ha mana ndị ugbu a enweghị aha Igbo. Dị ka "*indomi*", "*spageti", "shawama", "meatpile", "họt dog", wdg.* N'oge gboo, e nwere ihe dị iche iche ndị igbo na-akpọ nri dị iche iche nakwa usoro dị iche iche ha si esi nri ha dị ka Orji (2023) siri kọwaa. Iji maa atụ, a na-ete ofe ete, a na-agwọ abacha agwọ, a na-asụ akpụ asụ ma na-agba ncha agba mana ugbu a kedu usoro a ga-akpọ e si eme *shawama, họtụ dọg na ndị otu ya?* Ọtụtụ nri ndị Igbo adaala mmiri.

N'oge gboo, ndị Igbo bụ azụ mkpọ, ọkụkọ, ewu, anụ ọhịa dị ka nchị, ọsa, eyi, ejune ka ha ji esi ofe maọbụ nri ọbụla ha na-esi. N'ihi na ndị Igbo bụ ndị na-akpa anụ ụlọ, ha na-azụ ewu na ọkụkọ, nke a mere na onye chọọ iji nke ọbụla sie nri, o gbuo ya ozugbo ma rie ya mgbe ọ ga-enye ya ihe n'ahụ mana ugbua, tekunụzụ wetara nke ndị Bekee kpọrọ "*Frozen food*". O nweghị ndị na-achọzị iri ọkụkọ e gburu ozugbo kama onye ọbụla chịrị aka wunye n'anụ nke e chekwara echekwa.

N'oge gboo, onye Igbo si ugbo lọta, ga-ewere ji waa ma sinye ya n'ọkụ, mgbe o ghere, ọ ga-eji mmanụ nri, ogiri, nnu na ụkpaka rie ya mana ugbua, onye agụ gụrụ, o were *indomi* sinye n'ọkụ ma gaa gote otu ololo mmanya ọtọbịrịbịrị jụrụ oyi ma che na ọ bụ ezigbo ndụ ka ọ na-ebi n'amaghị na nke a abụghị ezigbo nri.

N'oge ugbu a, onye ọbụla chịịrị aka wunye n'ihe oghighe dị ka: bọnsụ "*buns*", keeki "*cake*", kpọfụ kpọfụ "*puff puff*", chịn chịn "*chin chin*". Mgbe elu bụ ala ọsa, ndị Igbo ga-eme akamụ ma ghee akara, were ya ṅụọ akamụ mana ugbu a, a na-ahụta akamụ dị ka nri ụmụaka. A naghị ahụ ka ndị nne ka na-eghe akara. Nke a mere na ndị na-etolite etolite amaghị etu e si eghe akara maọbụ sie mọị mọị. Kedu maka ofe nsala? Mmadụ ole n'ime ndị agbọghọ taa ga-esinwu ofe nsala? Nke a bụ ihe ịgba anya mmiri na ọtụtụ ụmụ nwaanyị n'oge a amaghị esi nri ụfọdụ dị ka ofe ọkwụrụ, ofe ọnugbu, ofe nsala, ofe ọgbọnọ, ofe egwusi wdg.

**Ụzọ a ga-Esi Gbochie Nsogbu ndị a ndị Ọcha Wetara**

a) Ụzọ mbụ e nwere ike isi hụ na e gbochiri nsogbu ndị a bụ na ndị nne na nna, ndị agbataobi, ndị ntorobịa ịgba mbọ hụ na ha kụziiri ụmụ ha erimeri ndị Igbo site n'ịdị na-esiri ha nri Igbo oge ha ka bụ nwata, nke a bụ iji mee ka ha nwee mmasị ịdị na-eri erimeri ndị Igbo ha dị ka agbụrụ ndị ọzọ sị nwee mmasị ime nke ha.

b) Ndị nkụzi Igbo ga-enyekwa aka ịkọwatu ụfọdụ uru dị n'iri erimeri Igbo, iji nyere ụmụakwụkwọ aka ịhụ ya dị ka ezigbo nri na-edozi ahụ mmadụ.

ch) Gọọmenti n'akụkụ ala Igbo ga-ewepụta ebe a na-amụ ụzọ dị iiche iche e si esi nri ndị iIgbo dị iche iche.

d) Ọzọ, ndị nne kwesịkwara ịkụziri ụmụ ha, ọ kachasị ndị nwaanyị ihe niile gbasara isi nri ndị Igbo. Mpaghara ala Igbo ọ bụla nwere ụdị nri e ji mara ha na etu ha si akwado erimeri ha. Onye ọ bụla kwesịrị ịmụta nke ha.

e) Ndị ntorobịa kwesịkwara ịma ihe dị iche iche ihe ọ bụla ha riri na-enye na-ahụ. Nke a ga-enye aka ka ha mara ihe ndị ha kwesịrị iri ma ọ bụ ha kwesịghị iri.

Na nchịkọta, ndị ntorobịa kwesiri ịdị na-alaru n'obodo nna ha iji mata omenala ndị be ha. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ndị nne na nna kwesịrị ịhụ na ụmụ ha lara ụlọ, ọ kachasị oge ekeresimesi ma ọ bụ iri ji ọhụrụ.

**Nchịkọta na Mmechi**

Nchọcha a gbalịrị lebaa anya n'erimeri ndị Igbo n'oge gboo na n'oge ugbua. Nchọcha a nyere aka detuo nri dị iche iche e jiri mara ndị Igbo n'oge gboo nakwazị etu e si esi ha. Nke a bụ iji mee ka ndị ọgbara ọhụrụ a mata ha n'otu n'otu. Ọ dị mkpa ka ndị na-eto eto mata mkpa ọ dị ịlaghachi n'usoro ndị Igbo si eri erimeri ha n'oge gboo maka ahụike na ogologo ndụ ndị Igbo.

Nke a mere nwa nchọcha ji atụ aro ka ndị nne nna nna nyere ụmụ ha aka n'ikuziri ha nri na usoro ndị Igbo si esi nri ndị a.

**Edensibịa**


Afigbo, A. E. (1981). *Ropes of Sand: Studies in Igbo History and Culture*. Ibadan: University Press.

Anozie, C.C. (1990). *Lingwistik Sayensi Asụsụ*. Nsuka: Fulladu Publishing.

Bamgbose, A. (2003). *Language and Nation: The Language Question in Sub-Saharan African*. Edinburgh: Edinburgh University Press.

Bourdieu, P. (1984). *Social Relations, Culture and Power.* London: Harvard University Press.

Dahlgren, G. & Whitehead, M. (1991). Policies and Strategies to Promote Social Equity in Health Institute for Futures Studies.

Egbokare, K. (2004). *Asụsụ na Omenala na Nigeria*. Enugu: University of Enugu Press.

Emenanjo, N. (2004). *Nchịkọta Asụsụ na Ụtọasụsụ Igbo Izugbe Maka Sekọndiri*. Ikeja: Longman University Press.

Linton, K. (1945). *Culture: Meaning and It Ways*. New York: Appleton-Century-Crofts Company, Inc.

Merriam Webster (2017). *Dictionaries and Language Resources*. United States.

Ngoesi, M. C. (2004). *Nchịkọta ihe Ọmụmụ nke Asụsụ Igbo.* Onitsha: Optimal press.

Nnaegbo, N. (2017). *Asụsụ na Omenala na Nigeria*. Enugu: University of Enugu Press.

Nwadike, I.U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ịfụnanya Publishers.

Obiakọ, C. (2019). Ịha Mmiri n'Obodo Isuọfịa. B.A. Project, submitted to the Department of Igbo, African and Asian Studies, Nnamdi Azikiwe University, Awka.

Obi, U. (2012). *Asụsụ na Omenala na Nigeria*. Enugu university of Enugu Press.

Obidiebube, I. (2007). *Asụsụ na Omenala na Nigeria*. Enugu: University of Enugu Press.

Ofomata, C. (2007). *Ndezu Ụtọasụsụ Igbo*. Enugu: Format Publishers (NIG).

Onwuekwe, O. (2017). *Asusu na Omenala na Nigeria*. Enugu: university of Enugu Press.

Orji, E.O. (2023).Ntụcha Ngwaa "Si" Dị ka Isi Sekpụ Ntị na Ngwaa Osisi N'Igbo: Atụtụ Amụmamụ Ncheke. *Enyo*: *Jonal Igbo African and Communication Studies* 4(1) 2024.

Orji, E.O. (2024). Ọnọdụ Asụsụ Igbo n' Ogbo a: Usoro Mwulite Ya. *Odezuruigbo*: *In International Journal 4 Igbo African and Communication Studies 8*(1) 2024.

Orji, E.O (2023). Ntụcha Ngwaa Osiri na Oriri n'Igbo: Atụtụ Amụmamụ Ncheke. Nchọcha e mere maka nchọrọ nnweta Ph.D nke e dere Ngalaba Igbo, Afrịka na Nzikọritaozi na Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Strickland, D. S. (1957). *A New Theory About the Origin of Cross Linguistic Regularities.*

Taylor, S. (1970). *Usoro Ndụ Ndị Igbo*. Owerri: Fabia Publisher.

Tylor, E. B. (1972). *Primitive Culture*. London: John Murray.